Iji Usoro Nkụzi Mgbadoukwu N'ọrụ Kwalite Mmetadebe Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị N'edemede Igbo

Chineke, Stella Obioma, Ph.D
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka, Nigeria
stella.chineke@unn.edu.ng +2348063385262

Ụmị

Ka ụmụakwụkwọ si emetadebe n'edemede n'ule ngụcha sekọndịrị (Senior Secondary Certificate Examination, SSCE) n'ime afọ ole na ole gara aga erijuchaghị afọ. Nke a mere nchọcha a ji nyochaa ire usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ dị n'ịkwalite mmetadebe ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'edemede Igbo n'okpuru ọchịchị Nsụka na steeti Enugwu. Ụdị nchọcha nlekọ ka e ji mee nchọcha a, nke gbadoro ụkwụ na ntụnyere nnwale ndịnihu na nnwale ndịnazụ (pre-test post-test). E sitere n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ọhanaeze e nwere n'ebe a wee nweta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nke abụọ ọnụọgụ ha dị narị atọ na atọ (303) bụ ndị e ji mee ya bụ nchọcha. Usoro nsere nhatanha ka e ji nweta ha. Ngwa nchọcha bụ Nnwale Ajụjụ Edemede Asụsụ Igbo (NAEAI), Ngwa ntụcha 'Kendall's Coefficient of Concordance (W)' ka e ji nweta nnwale ntụkwasịobi ngwa nchọcha n'ogo akara 0.84. Miin na ndịpụ n'izugbe ka e ji zaa ajụjụ nchọcha ma jiri 'Analysis of Covariance' nwalee ụmaokwu n'ogo akara ntụ 0.05. Ihe e nwetara na nchọcha a gosiri na usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ kwalitere mmeta nke ọma n'edemede Igbo ụmụakwụkwọ dere. Onye nchọcha tụrụ aro ka ndị nkụzi na-ewebata usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ maka nkụzi edemede Igbo.

Ọkpụrụkpụ Okwu: Asụsụ Igbo, edemede, usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ

Mkpọlite

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị agbụrụ Igbo ma sorokwa n'asụsụ ala Naịjirịa a na-amụ n'ogo mmụta dị iche iche. Ọ bụkwa otu n'ihe ọmụmu ụmụakwụkwọ sekọndịrị na-ele n'ule ngụcha akwụkwọ sekọndịrị bụ 'Senior Secondary Certificate Examination (SSCE)'. Alaka anọ pụtara ihe a na-ele n'ule n'asụsụ Igbo bụ ụtọasụsụ, omenala, agụmagụ na edemede. Edemede bụ ihe si mmadụ n'obi nke o chere echiche maka ya tupu o detuo ya n'akwụkwọ maọbụ ebe ndị ọzọ ga-enwe

ike ịgụ ya. Edemede ọbụla nwere isiokwu nke odee na-ede maka ya, nakwa usoro a na-agbaso wee na-ede ya. Odee na-eji ọdịmara na akara nke asụsụ o ji ede ihe nabatara wee na-ede edemede ya iji mee ka nghọta dị ire n'ebe ọgụụ nọ. Laurinavicius (2017) kọwara na nka odide bụ nka mmepụta na-enyere odee aka ịkọwa echiche obi ya n'ebe ọgụụ nọ. Na nkọwa ya, ọ bụghị nka asụsụ dị mfe na nnweta maka na tupu mmadụ enwee ike ịkọwa onwe ya site n'edemede, onye ahụ ga-enwe ezi mmụta na nka odide n'asụsụ o ji ede ihe. Willson (2018) kwadoro nke a wee kọwaa na edemede bụ otu alaka n'ihe ọmụmụ asụsụ siri ike. Odee na-agba mbọ ịkọwa onwe ya n'ụzọ doro anya maka na ọ gaghị anọ ịkọwara ọgụụ ihe o bu n'obi. N'ihi ya, ọ dị mkpa na odee ga-enwe mmụta tọrọ atọ na nka odide. Nke a ga-enyere ya (odee) aka ime ka ọ bụrụ ihe o bu n'uche ime ka ọgụụ mata bụ ihe o deturu n'akwụkwọ.

N'ịga n'ihu, nka odide dị nnukwu mkpa na ndụ mmadụ n'ọgbọ a, ọ kachasị n'ebe ụmụakwụkwọ nọ. N'ime afọ iri gara aga, akarangwa teknọlọjị mere ka nka odide pụta ihe n'ebe ọ dị ukwuu na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọtụtụ ndị mmadụ na-adabere n'ide ihe iji nwee mmekọrịta n'etiti ha na ndị mmadụ ndị ọzọ site n'iji ọwa nzikọrịta ozi n'ikuku n'ụzọ dị iche iche. Ha gụnyere 'email, sms, whatsapp, instagram, facebook na ọtụtụ ndị ọzọ. Ma ndị nkụzi ma ụmụakwụkwọ na-esikwa n'ụzọ dị etu a enwe mmekọrịta. Nke a gosiri na nnweta nka odide dị nnukwu mkpa n'oge ugbua. Ọ bụghị naanị nke a, nka odide bụkwa otu ụzọ e si anwale ogo mmụta ụmuakwụkwọ nwere n'agụm akwụkwọ ha. A na-esikwa n'edemede achọpụta ka nwata akwụkwọ si nwetadebe nka odide maka ịkọwapụta onwe ya. Ya mere edemede ji soro n'ihe a na-akụzi ma na-anwale ụmụakwụkwọ na ya n'ihe ọmụmu asụsụ Igbo.

N'agbanyeghị mkpa edemede dị n'ebe ụmụakwụkwọ nọ, ọtụtụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị na-eri mperi na ya. Onyeisi ule WAEC (2020-2022) kọwara na ọtụtụ ụmụakwụkwọ emeghị nke ọma n'edemede asụsụ Igbo. Ụfọdụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe gụnyere edezughị ihu akwụkwọ ole a chọrọ dịka ntuziaka e nyere ha si dị, etinyeghị akaraedemede ma ncha maọbu etinyeghị ya n'ebe ọ dabara, tinyere ejighị ọtọgrafị a nabatara ede ihe. Ụmụakwụkwọ iri mperi n'ide edemede ga-emetụta mmeta nke ọma ha n'asụsụ Igbo, maka na edemede bụ alaka pụtara ihe n'ihe ọmụmu asụsụ Igbo. Nwata akwụkwọ ọbụla na-ele ule asụsụ Igbo ga-azarịrị ajụjụ sitere n'edemede. Ya ka o ji dị mkpa na e lebara anya n'ihe nwere

ike ịdị na-ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide edemede. Ndị nchọcha na-eche na usoro e ji akụzi edemede nwere ike iso na-ebute ajọ ọnọdụ a. Ọtụtụ ndị nchọcha n'amụmamụ asụsụ Igbo (Umo, 2001; Omeje, 2009; Ogbu, 2017) kọwara na ọ bụ usoro ekwumekwu ka ndị nkụzi asụsụ Igbo ji akụzikarị ihe.

Usoro ekwumekwu dabeere n'onye nkụzi iji okwu ọnụ enyefe mmụta n'aka ụmụakwụkwọ. Iji usoro a kụzie edemede pụtara na onye nkụzi ga-eme ọtụtụ nkọwa gbasara ide edemede ebe ụmuakwụkwọ ga na-ege ntị. Emechaa, ha ga-agba mbọ itinye ihe ha ghọtara n'ọrụ oge ha na-ede edemede. Ikekwa, usoro a adichaghị ire maka nkụzi edemede Igbo n'ihi na edemede bụ ihe omume n'onwe ya, nke mmadụ ji aka ya eme. Ya kpatara ndị nchọcha ji wee na-eche na iwebata usoro nkụzi ga-eme ka ụmụakwụkwọ nwee ihe omume ha na-eme oge nkụzi na ọmụmụ na-aga n'ihu nwere ike ibute mgbanwe na mmetadebe ụmụakwụkwọ n'edemede Igbo. Usoro nkụzi ha na-elegara anya bụ usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ (UNMỌ).

Usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ (UNMỌ) pụtara n'ime afọ 1970s, oge ndị ọkachamara na nkụzi na ọmụmụ asụsụ na-arụ ụka na e kwesiri ịdị na-akụzi ma iwu ụtọasụsụ ma nghọta asụsụ nwere. UNMỌ pụtara ihe site na nchọcha Prabbu mere na 1980s, oge o ji usoro nkụzi a kụziere ụmụakwụkwọ sekọndịrị ihe na mba India. Malite oge ahụ, ọtụtụ ndị nchọcha ọzọ lebakwara anya n'iji usoro a akụzi ụmụakwụkwọ asụsụ nke abụọ ha, (Ellis, 2003; Farahani na Nejad, 2009; Tabrini na Nasiri, 2011). UNMỌ gosiri adịmire ya n'ihe ọmụmu ndị ahụ. Willis (2005) mere ka a mata na o nwere ihe atọ n-eme ka ọmụmu asụsụ dị ire. Ha gụnyere: ime ka ụmụakwụkwọ nwee mmekọrịta n'asụsụ ha na-amụ, iji asụsụ eme nzikọrịta ozi ya na inwe mkpalite mmụọ ịmụ ya bụ asụsụ. Ọrụ a ụmụakwụkwọ na-arụ oge e ji usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ akụzi ihe na-abụ ihe mkpalite mmụọ nye ha gbasara isiokwu ha na-amụ maka ya. Ọ na-emekwa ka nkụzi na ọmụmụ lekwasị anya n'ebe ụmụakwụkwọ nọ karịa n'ebe onye nkụzi nọ. Ọrụ onye nkụzi na-abụzị ịnọ dịka onye mgbaziri.

Usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ gbadoro ụkwụ n'imepụta ọrụ nzikọrịta ozi dị iche iche ma nye ụmụakwụkwọ ohere iji asusụ ha na-amụ arụ ọrụ ndị a. dịka Numan (2014) na Long (2015) si kọwaa, ọrụ bụ ihe omume dị na klaasị, nke ndị na-amụ asụsụ na-esite na ya jiri asụsụ ha na-amụ eme ihe omume n'ụdị igbo

nsogbu. Ka o sila dị, a ga-akpachapụ anya họrọ ọrụ dabara maka ogo ụmụakwụkwọ nakwa isiokwu a ga-akụzi. Ihe ọ putara bụ na onye nkụzi ga-eleru anya n'isiokwu ọ chọrọ ikụzi ya na ogo mmụta ụmụakwụkwọ nwerela iji mata ụdị ọrụ ọ ga-enye ha. Onye nkụzi ji usoro a akụzi ihe ga-eme ka ụmụakwụkwọ malite n'ọrụ ndị dị mfe wee banye n'ọrụ ndị siri ike. Nke a dabara n'echiche Wesche na Skehan (2012) nakwa Nabi-Olla (2022) n'ihi na ha kọwara na inye ụmụakwụkwọ ọrụ siri nnukwu ike ga-eme ka ha ghara ịrụru ọrụ ahụ n'isi njedebe. N'aka nke ọzọ, ọrụ dị oke mfe ga-emekwa ka ha ghara inwe mkpalite mmụọ ịbagide ya bụ ọrụ.

Iji UNMỌ akụzi ihe nwere agba atọ. Nke mbụ bụ agba mmalite, bụ ebe onye nkụzi na ụmụakwụkwọ ga-abagide ọrụ ga-edubanye ha n'isi ihe ọmụmụ ha nwere. Nke a nwere ike ịdị n'ụdị ha ịrụ ọrụ yitere nke ha ga-arụ ma ha banye n'agba nke abụọ bụ agba ọrụ, (Doryen, 2021). Agba ọrụ bụ ebe ụmụakwụkwọ na-arụ ọrụ e nyere ha n'isiokwu ha na-amụ. Dịka o si gbasata edemede, ọrụ a nwere ike ịdị n'ụdị inye ha ohere ka ha chee echiche, kparịta ụka ma depụta ọkpụrụkpụ ihe ndị ha chere dị mkpa maka isiokwu ha ga-ede edemede na ya. Onye nkụzi ga-agwa ha oge ha nwedebere maka ime nke a. Inye ha oge ga-enyere ha aka ịmụta ka e si ede edemede n'ime oge e nyere, maka na ọ bụ usroro a ka a na-agbaso ede edemede n'ule dị iche iche ha na-ele. Onye nkụzi ga-eleba anya n'ihe ndị ahụ ha depụtara ma nye ha mgbaziri.Agba ngwụcha ọrụ bụ agba nke ikpeazụ e nwere n'UNMỌ. Onye nkụzi ga-agwa ụmụakwụkwọ ka ha nwerezie ihe ndị ahụ ha depụtara dee edemede n'isiokwu ahụ e nyere ha. Na njedebe ọrụ ahụ, onye nkụzi ga-amaakị ihe ụmụakwụkwọ dere site n'itinye akara nrite na ya, ma nyekwa ha mgbaziri n'ebe ọ dị mkpa.

Site na nkọwa ndị a e nyerela, o gosiri na e nwere ọtụtụ ndịiche dị n'etiti UNMỌ na usoro nkụzi ekwumekwu. Usoro nkụzi ekwumekwu nwere usoro kwụ chịm (rigid process) mana UNMỌ nwere usoro gbụghụgbụghụ (flexible process). Usoro nkụzi ekwumekwu na-agbadokarị ụkwụ n'onye nkụzi inye nkọwa gbasara isiokwu ọ na-akụzi, ya na idetu ihe na mgbọodee. Mana a bịa n'UNMỌ, ọ bụ ụdị isiokwu onye nkụzi chọrọ ikụzi na-ekpebi ụdị ọrụ e nwere ike iwepụta ka ụmụakwụkwọ rụọ. Ellis (2021) kọwara na ndịiche ọzọ dị n'usoro abụọ ndị a bụ na usoro nkụzi ekwumekwu na-eme ka asụsụ bụrụ naanị ihe ọmụmu, mana UNMỌ na-eme ka asụsụ bụrụ ihe ọmụmụ nakwa akarangwa e ji amụ asụsụ. iji asụsụ a

na-amụ arụ ọrụ na-enyere ụmụakwụkwọ aka inwe mmammụta na ya bụ asụsụ. Ọ bụ ọnọdụ a kpatara onye nchọcha ji wee na-eche na UNMỌ nwere ike ibelata nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide edemede Igbo. Ya ka nchọcha a ji chọọ ịchọpụta ka usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ si dị ire n'ịkwalte nka edemede ụmụakwụkwọ sekọndịrị.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịmata ka usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ si didebe ire n'ịkwalite mmetadebe ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'edemede Igbo. Mbunuche kpọmkwem bụ:

1. Ịchọpụta akara miin ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ kụziere edemede Igbo nakwa ndị e ji usoro nkụzi ekwumekwu kụziere.

Ajụjụ Nchọcha

1. Kedu akara miin mmetadebe ụmuakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ na ndị e ji usoro nkụzi ekwumekwu kụziere edemede Igbo?

Ụmaokwu

Otu ụmaokwu duziri nchọcha a, ma a nwalere ya n'ogo akara ntụ 0.05.

H01: Enweghị ndịmiche pụtara ihe n'akara miin mmetadebe ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ na ndị e ji usoro nkụzi ekwumekwu kụziere edemede Igbo.

Usoro

Ụdị nchọcha e ji mee nchọcha bụ nke nlekọ. Ọ bụ n'okpuru ọchịchị Nsụka dị na steeti Enugwu ka e mere ya. Ndị njirimee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nke abụọ (SSSII) dị otu puku, narị isii na iri asatọ na isii (1, 686) n'ọnụọgụ. Usoro nsere nhatanha ka e ji sere mmadụ narị atọ na atọ (303) n'ime ha, sitere n'ụlọakwụkwọ anọ. E jikwa usoro nsere nhatanha tinye ụkọakwụkwọ abụọ n'otu nchọpụta ma tinyekwa abụọ nke ọzọ n'otu ntụnyere.

Ngwa nchọcha bụ Nnwale Ajụjụ Edemede Asụsụ Igbo (NAEAI). Ihe mejupụtara ya bụ ajụjụ edemede abụọ. Ndị nkụzi mmadụ atọ sitere na Mahadum Naịjirịa,

Nsụka nyochara ngwa nchọcha a. A nwalere ogo ntụkwasịobi ngwa nchọcha a ma jiri ngwa ntụcha 'Kendall's Coefficient of Concordance (W)' tụchaa ya wee nweta akara 0.84, nke gosiri na ogo ntụkwasịobi ya dị elu. E ji ngwa nchọcha ahụ nye ụmụakwụkwọ nnwale ndịnihu tupu a malite ikụziri ha ihe nwere izuụka anọ. Onye nchọcha nyere ndị enyemaka nchọcha ọzụzụ maka iji usoro nkụzi mgbaoụkwụ n'ọrụ kụziere ndị otu nchọpụta ihe. Na ngwụcha nkụzi ihe ahụ, e jikwa ya bụ ngwa nchọcha nyegharịa ha nnwale ndịnazụ. Ngwa ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe ka e ji zaa ajụjụ nchọcha ma jiri ngwa ntụcha 'Analysis of Covariance' nwalee ụmaokwu n'ogo akara ntụ 0.05.

Nchọpụta

E gosiri ihe e nwetara na nchọcha a na tebul dị n'okpuru.

Ajụjụ Nchọcha: Kedu akara miin mmetadebe ụmuakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ na ndị e ji usoro nkụzi ekwumekwu kụziere edemede Igbo?

Tebul 1: Akara miin mmetadebe ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ na ndị e ji usoro nkụzi ekwumekwu kụziere edemede Igbo

Otu	Nnwale Ndịnihu			Nnwale Ndịnazụ		
	N	$\overline{X}$	SD	$\overline{X}$	SD	Akara Miin Nrite
Nchọpụta	136	21.58	11.10	32.54	14.47	10.96
Ntụnyere	167	22.61	10.79	23.52	11.56	0.91

Dịka e si zipụta na tebul nke mbụ, akara miin ndị otu nchọpụta na nnwale ndịnihu bụ 21.58 ebe nke nnwale ndịnazụ ha bụ 32.54. Akara miin nrite ndị otu a bụkwa 10.96. N'aka nke ọzọ, akara miin ndị otu ntụnyere na nnwale ndịnihu bụ 22.61 ma nke nnwale ndịnazụ ha bụ 23.52. Akara miin nrite ha bụ 0.91. Nke a gosiri na miin nrite ndị otu nchọpụta ji 10.05 dị elu karịa nke ndị otu ntụnyere.

Tebul 2: Nchịkọta ntụcha ANCOVA gosiri akara miin ndịmiche na mmetadebe ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ na ndị e ji usoro nkụzi ekwumekwu kụziere edemede Igbo

Nsiribịa	Type III Sum of Squares	Df	Mean Square	F	Sig.
Myiri E Deziri	44129.577	8	5516.197	130.484	.000
Ọgbatauhie	1557.650	1	1557.650	36.846	.000
Nnwale Nganihu	34793.720	1	34793.720	823.037	.000
Usoro	4927.824	1	4927.824	116.567	.000
Mmehie	12428.786	294	42.275		
Mkpokọta	286831.000	303			
Mkpokọta E Deziri	56558.363	302			

a. R Squared =.780 (Adjusted R Square =.774)

Tebul nke abụọ gosiri na F- a gụkọrọ nwere akara 116.57 pụtara ihe n'ogo .000. Akara a dị elu karịa akara ntụ bụ 0.05. N'ihi ya, agaghị anabata ụmaokwu nkịtị. Ihe ọ pụtara bụ na e nwere ezigbo ndịmiche n'akara miin mmetadebe ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ na ndị e ji usoro nkụzi ekwumekwu kụziere edemede Igbo. Ndi e ji usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ kụziere ka wee meta nke ọma.

Mkparịtaụka

Nchọpụta e nwetara na nchọcha a gosiri na na ụmụakwụkwọ ndị jiri usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ (UNMỌ) mụọ edemede Igbo ka mee nke ọma karịa ndị nke ọzọ e ji usoro nkụzi ekwumekwu kụziere. Ntụcha e mere gbasara ihe dị na tebul nke abụọ zipụtara na e nwere ndịiche pụtara ihe n'akara miin mmetadebe otu abụọ ndị a e ji mee nchọcha. Ndị otu nchọpụta ka wee mee nke ọma.

Nchọpụta a dabara na nke Sarani na Sahebi (2012) na Munir, Muhammad na Jumani (2019), bụ ndị chọpụtara na UNMỌ dị ire n'ịkwalite alaka ihe ọmụmụ dị iche iche n'asụsụ Bekee. Ihe nwere ike ịkpata nke a bụ na UNMỌ na-enye ụmụakwụkwọ ohere isonyesi ike n'ihe omume na klaasị site n'ọrụ dị iche iche ha na-arụ oge nkụzi na ọmụmụ na-aga n'ihu. Long (2015) kwadoro na ụmuakwụkwọ na-aka eme nke ọma mgbe ọbụla ha na-amụ ihe site n'ime ihe omume dị iche iche.

Na nkọwa ya, ihe omume ndị a na-eme ka ụbụrụ ụmụakwụkwọ dị nkọ ma mekwaa ka mmụta dị ire.

Mmechi

Nchọcha a zipụtara na usoro nkụzi mgbadoụkwụ n'ọrụ dabara maka ịkwalite mmetadebe ụmụakwụkwọ n'edemede Igbo. Agba ọrụ dị iche iche na-apụta ihe n'iji usoro a kụzie ihe na-eme ka ụmụakwụkwọ na-enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha ma na-akwalitekwa mmụọ ịrụ ọrụ na igbo nsugbu n'ebe ụmụakwụkwọ no. Ya bụ na nchọcha a na-egosi na e nwere mmekọrịta dị n'etiti usoro nkụzi onye nkụzi gbasoro wee kụzie ihe na mmeta nke ọma ụmụkawụkwọ n'edemede Igbo.

Aro

Nchọhca a tụrụ aro ndị a:

1. A ga-esite n'ọgbakọ nkụzi ihe mee ka ndị nkụzi asụsụ Igbo mata maka UNMỌ.
2. Ndị nkụzi asusụ Igbo ga-agba mbọ na-eji UNMỌ akụzi edemede Igbo.
3. Ndị ọrụ nhazigharị kọrịkulum asụsụ Igbo dị n'aka ga-ahụ na ha debanyere UNMỌ dịka otu usoro dị mkpa ndị nkụzi asụsụ Igbo ga na-eji akụzi ihe ọmụmụ.

Nrụaka

Doryen, Z. (2021). Motivational strategies in the classroom. Cambridge: Cambridge University Press.

Ellis, R. (2003). Task-based language learning and teaching. London: Oxford University Press.

Ellis, R. (2021). Focus on form: Towards a research agenda. In W. Renandya & N, Sunga (Eds.). Language Curriculum and Instruction in Multicultural Society, 122-144. Singapore" RegionalLanguage Center.

Farahani, A. A. K. & Nejad, M. S. K. (2009). A study of task-based approach: The effects of taskbased techniques, gender and difference levels of language proficiency on speaking development. *Pazhuhesh-e Zahanba-ye Khareji*, 49 (4) 23-41.

Laurinavicius, T. (2017). Reasons why writing remains a critical skill for success. Retrieved from https//www.huffpost.com/entry/reasons-why-writing-remains.

Long, M. (2015). Second language acquisition and taskbased language teaching (1st ed.). West Sussex, UK: John Wiley and Sons.

Munir, H. A., Muhammad, M. K. & Jumani, N. B. (2019). The eddect of task-based language learningon developing speaking skills of secondary school learners in Pakistan. *International Journal of English Linguistics* 9 (2), 283-291.

Nobi-Olla, A. (2022). The psychologixal effet of task-based language teaching on Iranian students of English as a foreign language. Retrieved from www.science.ca/wie.

Nunan. D. (2014). Task-based language teaching. Retrieved fron http://dr.dri.org/10.1017//c809780511667336

Ogbu, L. C. (2017). Adịmire kọmputa na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'agụmagụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ukwu na zonu mmụta Ishielu na Steeti Ebọnyị. M.Ed Dissertation, University of Nigeria, Nsukka.

Omeje, M. O. (2009). Effect of communicative method on students' achievement and interest in Igbo letter writing. Ph.D. Thesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Sarani A. & Sahebi, L. F. (2012). The impact of task-based approach on vocabulary learning I ESP courses. English language teaching. Retrieved from http//dx.doi.org/10.5539/elt.v5n/Op110

Tabrini, A. R. N. & Nasiri,M. (2011). The effect of using task-based activities on speaking proficiency of EPL learners. A paper presented at the third Asian onference on educatuin, 2011.

Umo, U. C. (2001). Effect of games on the achievement and interest of junior secondary school students in Igbo grammar. Ph.D.Thesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Wesche, M. & Skehan, P. (2012). Communicative teaching, content based instruction and task-based learning. In (Ed.). R. Kaplan. *Handbook of Applied Linguistics*. Oxford: Oxford University Press.

Willis, J. (2005). A framework for task-based learning. Harlow, UK: Longman.

Willson, J. (2018). Why writing skills are impoetant retrieved from https://medium.com/@missjessicaalbay/why-writing-skillsareimportant.